# Abamaba Olo na Nhazị Nakwa Iwulite Obodo Ẹda

[1]Chima, Uzọma Okpo & [2]Linus Ositadịmma

*[1]Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi, Mahadum Steet Ẹbọnyị Kọleji Edukeshọn, Ikwo*
*[2]Department of Linguistics Communication Studies/Igbo, Abịa State University Uturu*

**Ụmị**
Nchọcha a lebara anya "n'Olo" dị ka abamaba n'ọdịnala Ẹda n'ihe ịma aka so ya n'oge ugbu a. Ọ kọwara emume Olo dị ka abamaba a na-eji echeta ụmụ agbọghọbịa na-amaghị nwoke nke dị na okpuru ọchịchị Afikpo Saụt nke Steet Ẹbọnyị. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe mere ọkụkọ oke ọkpa ahụ e ji achụ aja ụbọchị ahụ adịghị eleghari anya azụ, ma ọ bụ wedata isi ala mgbe e ji ya achụ aja, ịchọpụta ihe mere ụmụ agbọghọ ahụ na-amaghị nwoke na-agbada ịyị Olo n'ụbọchị Eke ma ọ kụọ elekere ise nke ụtụtụ, kwuru ọtọ ruo elekere ise nke mgbede. Ihe kpatara Eze arụsị ji eje Iyi Olo achụ aja tupu abamaba Olo ebiri ọkụ. Ihe kpatara ụmụ agbọghọbịa emeghi abamaba a adịghị abanye iyi ọgba. Olo ma mgbe a na-eme abamaba a na mgbe e mecharala ya. Onye nchọcha gakwara n'ihu ịchọpụta ụzọ a ga-esi weghachite abamaba Olo azụ, dị ka ọ dị n'oge ochie. Ọ gakwara n'ihu ịchọpụta ihe ịma aka n'oge ugbu a, nke gụnyere oke mmepe anya, usoro okpukpere chi ọgbara ọhụrụ. Onye nchọcha gbasoro usoro nkọwasị na nnọrọ-lere nweta mbunuche ya. Nchọcha a hiwere isi n'atụtụ omenala dị ka njimara. Onye nchọcha gakwara n'ihu ịkọwapụta nsọ dị n'abamaba Olo nke gụnyere: Onye na-eme Olo adịghị enwe mmekọ ahụ nwoke na nwaanyị ma ọ bụghị ma o mezuru ya afọ asaa, ha anaghị eri ihe e zuru ezu. Onye nchọcha chọpụtara uru abamaba Olo bara nke gụnyere, mgbanahụ ọnwụ ike ma ọ bụ ọnwụ na-erughi eru, ịlụta dị n'oge. N'ikpeazụ, onye nchọcha tụrụ aro ka ndị nne na nna kụnye ụmụ agbọghọ ha na-etolite etolite mkpa abamaba Olo bara site n'ime ka ha mata na ọ bụghị abamaba ndị na-efe arụsị; kama, ọ bụ otu ụzọ e si ewulite asụsụ na omenala Ẹda. O mechiri nchọcha ya site n'ịkọwapụta na abamaba Olo bụ usoro obibi ndụ Ẹda nke metụtara nkwenye ha, okpukpere chi ha, ụdị nri ha na ejiji ha.

## Mkpọlite

Ndị Igbo so n'agbụrụ atọ kachasị pụta ihe n'obodo anyị bụ Najjirịa. Dị ka Ibe (2011) kwuru, steeti ndị mejupụtara ala Igbo bụ Abịa, Anambara, Enugwu, Ẹbọnyị, Imo, Riva, akụkụ Krọs Riva na Dẹlta. Ala Igbo dị obosara ma nweekwa ọtụtụ mmadụ; otu a ka ndị Igbo si nwee ọtụtụ omenala. Ụfọdụ omenala ndị a zuru ala Igbo niile ọnụ, ebe ụfọdụ omenala bụ ndị ezughi ala Igbo ọnụ. Ya bụ, omenala obodo ndị dị n'ala Igbo na-emere onwe ha n'ime obodo ha dị iche iche. Nke a gosiri na obodo niile dị n'ala Igbo nwere omenala, ọdịnala, na ọdị-be-ndị bụ ihe e jiri mara obodo ha. Mmalite ndụ ndị Igbo dị ka Agụgụ (2006) kọwara, ndị Igbo malitere ndụ ha site n'ịchụ nta, enweghi ebe obibi na oke ihe isi ike mana mgbe ha matara ihe bụ igwe nke nyere ha aka igbuda osisi ndị nke ha jiri rụọ ụlọ ebe obibi. Ebe obibi a mere ndụ jiri tọwa ha obere ụtọ, ha nwee ike na-abawanye n'ọnụ ọgụ ma na-agbasa nwayọọ nwayọọ. Ha bidoro gbawa mbọ nke na ndị ụfọdụ bụ ndị Chukwu ji ọkpụkpụ aka na akara aka ọ natarachi dị iche iche were gọzie. Site n'ọrụ ndị ha na-arụ ka e ji hazie ọkwa ma ọ bụ ebe onye kwesiri ịnọ, ma hazịkwa usoro omenala ha na-agbaso ka nsogbu hapụ ịdị.

Otu n'ime ihe ndị jikọtara ndị Igbo niile ọnụ bụ omenala ha, n'agbanyeghi ka ala Igbo si buo ibu, omenala ha niile bụ otu, ya ka e ji asị "ọ kwa mba na-asụ n' olu n'olu ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu". Omenala na-ahazi akparamagwa na ka obodo si ebi ndụ ha. Omenala a gbasara aka ebe dị iche iche dị ka asụsụ, agụmagu, nkwenye na ihe ndị obodo nabatara, okpukpere chi, mmemme dị iche iche ha na-eme. Ọ bụkwa usoro omenala a ka ndị Igbo na-enyefe n'aka ụmụ ha site n'agbụrụ ruo n'agbụrụ, maka na ọ bụ omenala ka ndị Igbo gbadoro ụkwụ na-azụlite nwa ha.

Ndị Igbo niile na-eme omenala ndị a, ibi ugwu, ịgba alụkwaghị m, ichi Ọzọ, ịkwa ọzu, igwu egwu ọnwa, ịgọ mmụọ emume Ahịajọkụ, ịlụ nwaanyị, ile ọmụgwọ. Ọfọmata (2012) kwuru na omenala hiwere isi n'ọtụtụ obodo n'ala Igbo bụ ndị a: iti Odo, ime Ụdara, Ịla ọsọ Uzuakọlị, ịgba Ọfala, Ike Ji Arọ Ndịizuọgụ, Iru Mgbede, Ọkọnkọ. Omenala ndị a bụ ndị e ji mara obodo dị iche iche. Ẹda bụ otu n'ime obodo dị n'Okpuru Ọchịchị e nwere na steet Ẹbọnyị. E si n'okpuru ọchịchị Afikpo Saụt kepụta ya. Ọ bụ n'afọ 1991 ka e kewapụtara ya. A bịa na ndịda anyanwụ, obodo gbara ya gburu gburu bụ Ụnwana, Ẹhụgbo, Amasịri, Mkporo, Akaeze, Ọhafịa na Erei.

**Ntụlegharị Agụmagụ**
N'ebe a, a tụlegharịrị ihe ndị e dere ede banyere isi okwu a, iji mee ka o doo anya ma dịkwa mfe nghọta; anyị ga-ekewa ya ụzọ atọ ndị a: nke echemeche, atụtụ na ihe e derela gbasara isi okwu a.

**Usoro echemeche**
N'ebe a, a nyere nkọwa miri emi banyere isi okwu ụfọdụ dị nnụkwu mkpa maka nchọcha a. Mkpụrụ okwu ndị a gụnyere: omenala, asụsụ, ọdịnala, ọdị-be-ndị.

**Omenala**
Omenala bụ usoro obodo kwekọrịtara iji bie ndụ ha, nke gụnyere okpukpere chi, ha, ịkwa nka ha, akparamagwa ha, okwukwe ha, akaọrụ ha, akụnụba ha, na emume ndị ọzọ dị n'obodo. Omenala bụkwa nkwekọrịta ndị obodo nke gbadoro ukwu etu ha si ebi ndụ. N'echiche nke Ogbalu (1978), Omenala bụ nchikọta ihe niile mmadụ mụtara n'obodo ya nke na-achi agwa ha, omume ha, nkwenye na okwukwe ha. N'aka nke Okorie (2009), Omenala bụ mkpụrụ okwu atọ e jikọtara n'ụdị ahịrịokwu mebere okwu a bụ omenala. Nke pụtara omume a na-eme n'ala, omume ndị a gụnyere asụsụ ndia na- asụ, ekpemekpe ha na-ekpe, ụzọ ha si hụta ụwa, usoro ọchịchị ha na-agbaso, ụzọ ha si azụlite ụmụ ha, ụdị ekele na nsọpụrụ dị n'obodo. Ihe obodo na-asọ na ihe obodo na-enwe mmasị na ha. Sibani (2018) mere ka a mata na e nwere ụdị omenala abụọ, ya bụ, omenala ndị a na-ahụ anya na ndị a naghị ahụ anya. Omenala ndị a na-ahụ anya bụ ndị a; ihe atụratụ, nka na ụzụ, ngwa ọrụ, ebe a na-emepụta ngwa ọrụ. Okoye (1995) gbakwụnyere omenala ndị a dị ka omenala a na-ahụ anya, ha bụ ndị a kpụrụ akpụ, a kpara akpa, ngwa ọrụ, dị ka ọgụ, mma, egbe, ọnya, ihe ndị e ji esi nri dị ka ite, mma ekwu, igwe. Omenala ndị a naghị ahụ n'anya gụnyere ndị a: echiche obi na akparamagwa mmadụ. Dị ka Ejiọfọr (1996) siri kwuo, a na-amụta omenala ndị a site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'obodo. Ihe ndị a na-ahụ n'anya na ndị a naghị ahụ n'anya mebere usoro niile obodo si ebi ndụ ha. Na nkọwa nke Abakere (2009), omenala bụ usoro obibi ndụ a haziri ahazi, nke ndị mmadụ na-amụta ụdị akparamagwa a chọrọ n'obodo. Ụdị akparamagwa a gụnywere ihe niile a na-eche, ihe a na-eme na ihe niile e nwere dị ka obodo. Ihe ndị a gụnyere: nkwenye, agụmagụ, atụmatụ uche, okpukpere chi, na ekeruche ndị mmadụ, na ekeruche ndị mmadụ bi n'ime obodo ahụ. Nkọwa a metụrụ aka n'usoro iwu nke e ji echekwa ngwo ngwo ndị a na-enweta na gburu gburu obodo ahụ. Ọ gara n'ihu kọwaa na omenala metụtara ihe nketa niile, mmụta niile, nkwenye, aka ọrụ mmadụ na ọdị-be-ndị nke obodo jiri biri. Na nkwado nkọwa a, Igbokwe na Ezeji (2015:27) kwuru na:

Ndị Igbo nwere ọtụtụ omenala bụkwa ihe na-abara ha ọtụtụ uru na ndụ ha mana ọ dị mmụte na ụfọdụ omenala ndị a na-anwụzị anwụ ugbu a n'ihi ejighi ha kpọrọ ihe, nleda anya, aghọtaghị aghọta, okpukpere chi ọlọrọ ọhụrụ nakwa oke nhiwe isi na ndabere n'omenala ndị mba ofesi

**Asụsụ**

Asụsụ bụ ụmị nchịgharị uche mmadụ na ibe ya. Mmadụ ịsape anya mara ihe na-aga n'ụwa na mgbe o ji aga anaghị adị mfe ma e jighi asụsụ (Umeọdịnka na Ugochukwu, 2016). Ya bụ, asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya hibere ha si enwe mmekọrịta. N'ihi nke a, Mbah, Anagbọgụ na Eme (2010) na-ahụ ya ka ụzọ mmadụ wepụtara nke ha ga-eji na-enwe mmekọrịta na-ekwupụta echiche na ebumnobi ha, ọchịchọ na ihe ndị ọzọ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ n'ederede. Ọfọmata (2012), na-ekwu na ọ bụrụ na asụsụ adịghị, mmadụ na mmadụ ibe ya agaghị enwe mmekọrịta tọrọ atọ. Umeọdịnka (2020) gara n'ihu kwuo na asụsụ dị ka ụzọ mmadụ mebere ya na ibe ya ga-eji na-ezipụta ebumnobi ha n'ọchịchọ nke na-esite n'ụda asụsụ nke e ji nji akpọ emepụta.

**Ọdịnala**

Ọdịnala bụ emereme mfunala ma ọ bụ mpunala. Ya bụ, ihe ndị ahụ dịbu adị tupu obodo amalite. N'uche nke Anọzie (2003), ọdịnala bụ ihe ndị ahụ niile puru epu n'ala, ndị na-adịghị n'obodo niile dị n'ala Igbo. Ọdịnala adịgo adị tupu ndị nwee ya amụtaba nke ha na-agbakwụnyere ya; ọdịnala bụ ihe dị ọkpụ tọọrọ ọkpụ. Ọ bụ n'ọdịnala ka omenala gbadoro ụkwụ ihe ndị a, ịkwa ozu, ịgụ nwa aha, ịlụ nwaanyị, iri ekpe; ụzọ ha sizị emepụta ihe ndị a ka a na-akpọ omenala. Ọdịnala na-adịgide site n'aka fere aka; ọ naghị anwụ anwụ; omenala nwere ike nwụọ mana ọdịnala anaghị anwụ anwụ.

**Ọdị-be-ndị**

Ọdị-be-ndị dị ka aha ya siri dị bụ ihe ndị ahụ dị n'otu obodo na-adịghị n'obodo ndị ọzọ. N'echiche nke Anọzie (2003), ọdị-be-ndị bụ ihe ndị ahụ niile e jiri mara obodo na-adịghị n'obodo ndị ọzọ, nke bụ e kwuo maka echiche onye ọ bụla, a gaa n'obodo na-eme ya ịma atụ. A bịa n'ala Igbo, ọ bụ ndị Ọka ka a mara maka ịkpụ ụzụ; o zughi ala Igbo niile ọnụ. Ya bụ, ịkpụ ụzụ bụ ọdị-be-ndị ndị Ọka, n'ihi na o zughi ala Igbo niile ọnụ. Ndị Enugwu Ezike bụ ndị a mara na olu ha bụ olu ogene maka na ha na-agụta egwu nke ọma. N'ala Igbo, e nwere ka obodo niile si emegasị ihe ha, ụzọ a ha si eme ihe ha bụ ọdị-be-ndị ha. Dị ka usoro ọlụlụ nwaanyị ha, ụdị egwu ha na-agba, usoro emume obodo ha dị ka obodo ọ bụla siri hazie ya bụ ọdị-be-ndị ha. Nke a, a pụtaghị na ọdị-be-ndị a bụghị omenala ọdị-be-ndị bụ omenala; kama, ọ bụ ihe ndị dị aghaa ndị obodo ụfọdụ na-eme nke obodo ndị ọzọ a naghị eme.

**Atụtụ**

E nwere atụtụ dị iche iche e nwere ike iji mee nchọcha n'ihe banyere abamaba Olo, Ẹda; atụtụ kacha dabaa adaba maka nchọcha a bụ Atụtụ omenala dị ka njimara. Onye tụpụtara atụtụ a bụ Geetz na Schneider n'afọ (1973). Atụtụ a na-ekwu na omenala bụ njimara agbụrụ. N'echiche ya, omenala abụghị ihe a na-ezo ezo; kama, ọ bụ ihe anya na-ahụ, abịakwazie na-eme ya eme. Omenala bụkwa ihe e jiri mara mpaghara onye si pụta. Ward (1970) mere ka a mata na omenala bụ ụzọ ndị si ebi ndụ ha, echiche obi ha, nkwenye ha, nke na-enyere usoro obibi ndụ ha aka. Ya bụ, ihe ndị agbụrụ chemiri echiche mee ka o gwuzobe dị ka mmere mmere e ji mara ha. N'otu aka ahụ, Otitie na Ogionwu (2016) kwuru na ọ bụ ezi okwu na obodo ọ bụla nwere omenala; ọ bụkwa omenala ndị a ka e ji ama onye bụ onye n'obodo onye ahụ si pụta. A bịa n'ala Igbo gbaa gburu gburu, e nwere ọtụtụ obodo dị na ya; etu a ka e si nwee ihe dị iche iche na mmereme

omenala ha. Obodo ụfọdụ n'ala Igbo na-agba mmanwụ, Ekpo, Ọkọnkọ. Ọfala, echi Ọzọ dị ka njimara obodo ahụ, ebe ụfọdụ obodo a naghị eme omenala ndị a; ya ka o ji bụrụ na omenala obodo na-eme ka e ji mara ya. Ẹda na-eme abamaba Olo; ọ bụ otu n'ime omenala e jiri mara ha, naanị ndị Saụt Afrịka na-emetụ ihe yitụrụ abamaba

**Ntụle**

Ọtụtụ ndị nchọcha emeela nchọcha dị iche iche n'omenala, asụsụ na abụ ọdịnala. Nchọcha e meerala n'isi okwu a bụ ndị a: Ezebuilo, Odeh na Nwosu (2019), Ninsiama (2018), Mcdowell (2018), Perargin (2020), Ọkpala (2016), Ọnụ (2017), Wardhaugh (2002).

Ezebuilo, Odeh na Nwosu (2019) mere nchọcha n'isi okwu omenala mpụtara, mwulite njimara; ntụle nke echiche. Ha mere nchọcha ahụ iji chọpụta mmetụta omenala na mwulite njimara si emetụta etu ndị mmadụ si aghọta mmekọrita. Ọ gakwara n'ihu ịchọpụta ọrụ omenala na nhazi njimara dị ka o si metụta mmadụ. Ọ chọpụtara na omenala na mwulite njimara na-agakọta ọnụ. Nchọcha ahụ yitụru nke onye nchọcha na-abagide mana ndị iche dị na ha bụ na nchọcha a chọrọ ịchọpụta emume-abamaba Olo Ẹda, uru, ihe kpatara ndaghachi azụ ya, na ịma aka ya n'oge ugbu a. Ninsiana (2018) mere nchọcha maka mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na omenala; ọ gbasoro usoro asụsụ n'obodo mee nchọcha ahụ iji nweta ihe ọ na-atụ anya ya. O kewara atụtụ ndị kọwara mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na omenala ụzọ abụọ, nke mbụ na-akọwa mmekọrịta. Omenala ndabere na mmekọrịta njikọ nnọrọ onwe. Mmekọrịta ndabere na-akọwa na omenala bụ isi usoro, ebe mmekọrịta njikọ na-akọwa na asụsụ na omenala bụ usoro abụọ dịrị onwe ha iche nke ndị mmadụ na-eji enwe mmekọrịta. Nchọcha ahụ chọrọ ịmata ihe ịma aka n'omenala dị ka usoro nke nwere ikikere na mmekọrịta mmadụ na ibe ya ebe asụsụ bụ usoro nke ọrụ ya bụ ime ka mmekọrịta ahụ na-aga n'ihu. Nchọpụta nchọcha a gosiri na nghọta nke asụsụ n'obodo anaghị ahụta asụsụ dị ka ọ dị n'ọmụmụ ntọ ala asụsụ Igbo izugbe.

Mcdowell, (2018) na nchọcha o mere gbalịrị ịkọwapụta mbido ọmụmụ asụsụ n'obodo. Ọ kọwara na ọmụmụ asụsụ n'obodo bịara dị ka azịza nye ọmụmụ ụtọ asụsụ izugbe nke Chomsky hiwere n'ọmụmụ asụsụ n'ebe mmepụta okwu dị, otu asụsụ si emekọrịta, olu ndị na olu otu ọgbara ọhụrụ. Ọ kọwakwara na adịmire, dị ka okwu nke na-ezipụta emereme omenala, nwere ikike ịhazịgharị ihe omume ma si otu ahụ gbanwee ka e si ahụta ihe.

Perangin Angin na Dewi (2020) mere nchọcha nke e were asụsụ Pagu chọrọ ịnwụ anwụ, nke a na-asụ na mgbago ugwu Halmahera, Indonesia site n'inyocha abụ ọdịnala asụsụ ahụ. Mbunuche nchọcha ahụ bụ ịmata mmetụta gburu gburu, ebe obibi ndị na-asụ Pagu, nchekwa asụsụ ha nakwa ịmata ka abụ ọdịnala nwere ike isi nyere asụsụ aka ka ọ ghara ịnwụ. O sitere ụzọ anụmanụ na ndị gbara ya gburu gburu tụlee abụ ma chọpụta ihe atọ: nke mbụ bụ ndị Pagu nwere mmetụta pụrụ iche n'ebe ihe ekereke dị, abụ ndị ahụ ọ tụlere gosiri na abụ ndị Pagu jupụtara n'omenala ha. Nchọcha ahụ tụrụ aro ka e weghachite omenala ndị dị otu ahụ, nke a ga-eme ka a na-asụ asụsụ ahụ mgbe niile ma meekwa ka ọ ghara ịnwụ. O kwukwara na ịghọta omenala, ọdị-be-ndị, ọdịnala ndị Pagu dị mkpa n'ịkwalite asụsụ ahụ. Mbunuche Perangin-Angin na Dewi dị iche na mbunuche nchọcha a. Perangin-Angin na Dewi chọrọ ịtụteghari asụsụ Pagu chọrọ ịnwụ anwụ ebe nchọcha a bụ okwu a kpu n'ọnụ chọrọ iweghachite abamaba Olo Ẹda azụ ka ọ ghara ịnwụ.

Ọkpala (2016) mere nchọcha maka abụ ọdịnala n'omenala ndị Igbo, ọ gbadoro ụkwụ n'egwu ọdịnala iduu nke ndị Akpo dị n'okpuru ọchịchị ime obodo Agụata nke steet Anambara mee nchọcha ya. Ihe kpaliri ya ịbagide nchọcha ahụ bụ maka na e nweghi mmasị ndị ọgbara ọhụrụ

ndị Igbo n'ebe abụ na egwu ọdịnala dị, nke na-ebute ndaghachi azụ n'ebe omenala Igbo dị; ọ gakwara n'ihu ịchọpụta mmetụta omenala ọgbara ọhụrụ nwere n'omenala ndị Igbo, ọkachasị n'ebe abụ na egwu ọdịnala dị. Ọnụ na Aja (2017) tụlere mmemme iko n'Ẹhụgbo, nchọcha ahụ tụlere mkpa asụsụ n'ichekwa omenala dị, ha mere ka aghọta na ọ bụrụ na echekwaghị asụsụ nke bụ akụkụ omenala, asụsụ ahụ ga-anwụ, ha gwuzobere nchọcha ahụ n'ọrụ Wardhaugh (2012), nke gbakwasịrị ụkwụ n'atụtụ Sapir-Whorf. Nchọcha ahụ kwenyere na mmekorịta dị n'etiti asụsụ na omenala. O kwuru na a gbanyeghi na mmepe anya dị n'ụwa ta a, e meela ka a mara ezi nchekwa asụsụ mba ọzọ bụ isi sekpụ ntị na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, mana e nwere omenala dị iche iche dị n'ime asụsụ ọdịnala ndị nke na-ezipụta abụ. Ọ bụ site na nnyefe abụ ndị ahụ site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ ka a ga-esi chekwaa omenala ndị ahụ. Ọ bụrụ na e chekwaghị omenala ndị ahụ, omenala ndị ọzọ eripịa ha. Ha kọwakwara na mmemme Iko Ẹhụgbo jupụtara nka asụsụ nke na-eme ka mmekọrịta asụsụ na omenala na-apụta ihe site abụ. Ha kọwara uru mmemme Iko bara na ndụ ndị Ẹhụgbo dị ka iji ya nọrịa oge, iwube ezi akparamagwa site n'iji abụ ikpe kọchaa agwa ọjọọ. Uru ọzọ ọ bara bụ na e ji ya akụzịrị ndị ntorobịa omenala. Ha tụnyekwara aro ka ndị mmadụ gbanwee agwa ọ-gbasaghị-m n'ebe asụsụ na omenala dị.

Ọnụ (2017) mere nchọcha ịchọpụta ụkpụrụ omume, adịm-mkpa na nkwenye ndị Ẹda dị ka etu e si ezipụta omenala. Nchọcha ahụ gbalịkwara ịchọpụta uru asụsụ ahụ bara n'omenala Ẹda. Nchọcha ahụ chọpụtara na abụ ọnụ ndị Ẹda bụ ngwa ha ji ahazị ụkpụrụ omume na nkwenye ha. Ọ gakwara n'ihu ịchọpụta na isi okwu na-adị n'abụ ọnụ ndị Ẹda na-abụkarị akụkọ ala, ịkpa ike na ịkpa ezigbo agwa.

**Ntụcha Abamaba Olo Ẹda**

N'isi nke a, a tụchara ma tapịa mmalite abamaba Olo Ẹda, ihe kpatara na okeọkpa e ji achụ aja anaghị eleghachi anya n'azụ ma ọ bụ wedata isi ala mgbe e ji ya achụ aja n'ụbọchị abamaba Olo ihe mere ụmụ agbọghọbịa a nabatara ọhụrụ n'abamaba Olo na-agbada Iyi Olo n'elekere ise nke ụtụtụ, gwuzoro ọtọ ruo elekere ise nke mgbede. Ekike/Ejiji ha ji achọ onwe ha mma, nsọ dị n'abamaba Olo Ẹda, Abụ ha na-abụ n'oge abamaba Olo, uru na ihe ịma aka n'oge ugbu a.

**Mmalite Abamaba Olo Ẹda**

Abamaba Olo ọdịnala Ẹda bụ abamaba a na-emere ụmụ agbọghọ na-amaghị nwoke. Abamaba a malitere mgbe a chọrọ ịgwọ nwata nwa agbọghọ ara gbara, aha ya bụ Eke Ume Eze; ọ bụ nwa mbụ Maazị Ume Eze nke Ezi Okoafọ Uwegwelu Ẹkọlị Ẹda. Mgbe nne na nna Eke Ume Eze gbalịrị ịgwọ ya ọrịa isi mgbaka pụrụ ya, o nweghi isi; ha gakwuru Eze arụsị kọwaara ya maka ọgwụgwọ, Eze arụsị ahụ kọwaara ha na ihe kpatara isi mgbaka nwa ha bụ n'ihi na ọ tara akị e ji chụọrọ Iyi Olo aja. Eze arụsị gwara nne na nna ya na ụbọchị Eke, a ga-enye ya ọkụkọ oji, ọ ga-eji ya gagharịa ugboro ugboro; ka ọ na-agagharị, ka ọ na-atamu na atụtụkwa ahịhịa n'ụzọ tutuu o ruo iyi Amaichikara; o si ebe ahụ ruo ebe nchụ aja ọzọ, iyi ana-akpọ Achịọgba, ebe a ka e mere ya nsacha nke ikpeazụ. Site n'ụbọchị ahụ, ahụ gbasiri ya ike, ebe ụbọchị Nkwọ bụ ụbọchị nchụ aja, ha mere dị ka dibịa nchụ aja gwara ha. Nke a ka ha na-eme kwa afọ, ka isi mgbaka ahụ ghara ịbịaghachi azụ n'ezi na ụlọ Eke Ume Eze. Ka afọ na-aga, Ezi Okoafọ bidoro ya bụ emume - abamaba Olo, Ugwuelu esonye, Amaetiti esochie ya. Abamaba Olo ka e ji mara ndị Ẹkọlị Ẹda. Ekike niile ha ji chụọ aja ka ndị niile a nabatara ọhụrụ ga-eyi ihe dị ka ụbọchị iri na ise; ha ga-eyipụ ya n'ụbọchị nsachapụ, nke nọchiri anya akị ahụ Eke Ume Eze tara, nke e ji chụọrọ Iyi Olo aja. Abamaba Olo Ẹda ka a na-emezu afọ asaa; ọ bụkwa ọnwa anọ n'afọ ọ bụla ka abamaba a na-ewere ọnọdụ.

**Ihe Kpatara Ọkụkọ Nchụ Aja Adịghị Elegharị Anya N'azụ**

Ihe kpatara nke a bụ n'ihi na e ji ya achụrụ arụsị aja. Ọkụkọ a na-elekwasị agbara ahụ anya, onye na-emeghi Olo adịghị emetụ ọkụkọ ahụ aka; ihe mere e ji eme nke a bụ ka o nwee ike kpuchite ndị niile mere abamaba ahụ, karịsịa ndị ọhụrụ a nabatara. Mgbe nke a gasịrị, ha ga-aga ebe a na-akpọ ezi ọfụrụ; ọ bụ ebe nna arụsị bị. Eze arụsị ga-agagharị ha ugboro ugboro ya na ọkụkọ ọcha n'aka ya iji nata ike. Ndị niile a nabatara ọhụrụ maka abamaba a ga-eweta nkuma, afụfụlarị, ntabioke, okpoto, ẹkọrọ na oke ọkụkọ. Ọbasị (2000) kọwara na ndị ahụ a nabatara ọhụrụ, tupu ha ewepụ ẹgwọ ahụ e ji nabata ha; ha ga-aga Iyi Olo kuru mmiri. Tupu ha ekute mmiri Iyi Olo, ha ga-ewere nzu, mkpụrụ akwụ anọ, wụnye na mmiri ahụ; nke a ga-eme ka ahụ gbasie ha ike, mgbe ọ bụla ha ṅụrụ mmiri ahụ. Nwoke adịghị aṅụ mmiri ahụ; onye emeghi Olo adịghị aṅụ mmiri Iyi Olo ahụ. Onye ṅụrụ ya ga-anwụ.

**IGwuzoro Ọtọ N'Iyi Olo**

Ọ bụ ụbọchị Eke Olo ka e ji amata mgbasị ike ụmụ agbọghọ a nabatara ọhụrụ, ogo Amaetiti ga-ebu ụzọ gbadaa, gwuzoro ọtọ tupu ndị ọzọ esochie ya; ha ga-egwuzoro ọtọ a site n'elekere ise ụtụtụ ruo elekere ise nke mgbede; nke a bụ iji kụziere ha ịnagide ihe ike ha ga-ezute n'ọdịnihu, dị ka ọmụmụ nwa ma ọ bụ ihe ịma aka ha ga-ahụta n'ezi na ụlo ha.

**Ekike Ha Ji Achọ Onwe Ha Mma**

Ndị Igbo, dị ka agbụrụ nọọrọ onwe ha, nwere ụzọ dị iche iche ha si eme onwe ha obi ụtọ, obodo Igbo ụfọdụ na-emekwa abamaba iji hunyere arụsị ha dịgasị iche iche. Abamaba ndị a na-adị n'ụdị ejiji n'ihi na ha na-akwado ha nke ọma, nwee ndị ga-ezipụta ya, nwee oge na ebe a ga-ezipụta ya. Ọ bụ ezi okwu na ọtụtụ ndị nwere nkwenye ndị ọcha gbasara ejiji mere na ha ahụtaghị abamaba Igbo ndị a dị ka ejiji, o meghi ka abamaba Igbo ndị a ghara ịbụ ejiji. Ejiji ọdịnala Igbo abụghị naanị otu onye nwe ya; kama, ọ bụ nke obodo niile nwe ya. Nke a bụ n'ihi na ọ dị ọkpụ tọọrọ ọkpụ, bụkwara nke si n'aka fere aka. Abamaba Olo Ẹda nwere ekike ndị ha na-eji achọ onwe ha mma mgbe ha na-eme abamaba Olo; ha bụ ndị a: Asị, Ngodo, okpogho, uhie.

**Uhie**

Uhie ndị Igbo na-egosi na nwa agbọghọ na-amaghị nwoke adịla njikere ịlụ di ma mezuo emume, abamaba afọ asaa. Ha ji ya achọ onwe ha mma. Ọbasị (2000) kọwara sị na abamaba Olo na-eji uhie egosipụta ntozu oke nwa agboghọ na-amaghị nwoke.

**Asị**


Asị bụ ejiji ndị mezuru abamaba Olo na-eji achọ onwe ha mma. E ji ya egosipụta ndịmiche dị n'etiti ndị a nabatara ọhụrụ na abamaba Olo, nke a na-egosịkwa ntozu oke nke inwe mmekọ ahụ nwoke na nwaanyị. Ha na-ewo ya-ukwu ha, were kwa agba dị iche iche chọọ onwe ha mma.

**Ngodo**

Naanị ndị mezuru abamaba Olo afọ asaa na-ebu ngodo; ọ bụ n'isi ka ha na-ebu ya; a na-akpụ ya n'isi ha dị ka ọkpụ ite si akpụ ite. Ihe e ji akpụ ya bụ ọmụ nkwụ, osisi, uhie na-acha odo odo, obere eyo, ụmụ irighiri asị dị iche iche aja ụrọ, ha agaghị emechi ara, ha agaghị enwe mmekọ ahụ nwoke na nwaanyị, ọ bụrụ ha e nwee mmekọ ahụ nwoke na nwaanyị, ọ ga anwụ, o meruola ala; a ga-atụfu ozu ya n'ọhịa ọjọọ. A gaghị eli ya eli. Ọ bụrụkwanụ na ọ nwụọ n'oge abamaba a na-aga n'ihu, a ga-atụfu ya n'ajọ ọhịa n'ihi na ha kwenyere na arụsị Olo ga-echebe ha n'oge ọ bụla; ha kwenyere na onye ọ bụla mere Olo, ọnwụ erughi eru agaghị ezute ya ma ọlị.

**Okpogho**

Ndị na-akụ okpogho bụ ndị mezuru abamaba Olo afọ asaa, ọ bụ ihe ịrịba ama na-egosi na ha etozuola oke. Ha na-aga, ọ na-eme mkpọtụ, nke na ebe ọ bụla ị nọ, ị ga-achọ ịpụta bịa lere ha, n'ihi na ha na-ama mma pụrụ iche, nke ụmụ nwoke na-alụbeghi nwunye ga-ajụ ese onye mụrụ ha, maka ịlụ ha dị ka inyom ha.




*Eserese Onye Mezuru Abamaba Olo Ọdịnala Ẹda.*

**Abụ Ha Na-abụ Mgbe Ha Na-eme Abamaba Olo Ẹda**

Mgbe gara aga, a na-abụ abụ iji gbaziere ndị mmadụ ndụ, nke ha na-ebi. E nwere ike iji ya nye ha ndụmọdụ. Ego (2021) kwuru na abụ na-agbanwe agwa mmadụ site na nke ọjọọ gaa na nke ọma. Ugoji (2021) kwadoro ihe Ego kwuru mgbe, ọ sịrị na ọ kabụkwahụ aghị kọreshọnụ ọhụ. Ya bụ maka mgbazi ụzọ nke bụ abụ bụ maka ezi mmekọrịta obodo na obodo, mmadụ na mmadụ, na ibi ezi ndụ ziri ezi.

**Ọmụma Atụ Abụ Abamaba Olo Ọdịnala Ẹda, bụ ndị a;**

Enyi m ee!

Enyi ee eyee!

Ezi Enyi mee!

Eyee! Eyee ! (ugboro abụọ)

Achọ Enyi m ee!

Eyee! Eyee!

Ị bịara elere Enyi m ee!

Eyee! Eyee!

Agha Ẹnya, bịa kuru Ụlụ,

Ụlụ ka bụnụ nwata ooo!

Abụ a dị n'elu na-egosipụta na abamaba Olo, nke ọdịnala Ẹda ebirila ọkụ. Abụ a na-egosipụta abụ ahụ e ji na-achọ Eke Ume Eze bụ onye bidoro abamaba ọdịnala Olo Ẹda; ọ bụ abụ ahụ nne ya jiri na-achọ ya mgbe o lere anya, ọ hụghị ya n'amaghị na o tiri akụ e jiri chụọrọ Iyi Olo aja nke ọ na-ekwesighi ịta, isi mgbaka apụọ ya. Ọ bụ abụ e ji na-arịọ ka arụsị Iyi Olo ka o nyere ha aka ịchọpụta nwa ha.

**Nsọ Dị N'Abamaba Olo Ẹda**

Agwụ (2000) kọwara nsọ dị ka ihe ndị obodo ọ bụla na-agbarụrụ ihu ma ọ bụ ihe ndị ahụ megidere omenala nke ha na-anabataghị ma ọlị, ya mere na abamaba Olo Ẹda nwere ihe ndị ha na-asọ nsọ mgbe abamaba a bịrị ọkụ. Onye ọ bụla mere abamaba ọdịnala Olo Ẹda adịghị enwe mmekọ ahụ nwoke na nwaanyị ma ọ bụrụ na ọ lụbeghi di; ọ bụrụ na o mee ya ọ ga-anwụ. Onye na-emeghi emume abamaba Olo adịghị abanye Iyi Ọgba Olo, ebe isi nchụ aja; ọ bụrụ na onye ahụ abanye ebe ahụ, arụsị Iyi Olo ga-etigbu onye ahụ, Nwa agbọghọ ọ bụla na-eme emume abamaba Olo nwụrụ mgbe a na-eme emume abamaba Olo, a ga-eli onye ahụ n'ọhịa ọjọọ n'ihi na ha kwenyere na arụsị Olo na-echebe ndị niile mere Olo. Onye na-emeghi abamaba Olo adịghị efe ma ọ bụ metụ onye mere Olo aka n'isi. Onu (2017) kwadoro nke a site n'ikwu na a dịghị eri nri ndị ọzọ siri ruo ihe dị ka izu ụka ise; ha adịghị eri nri dị ka ede, ụna. Mgbe ha ga-ebido riwe ihe ndị a bụ mgbe ha wopuru ẹgwọ dị ha n'olu, nke e jiri nabata ha. Ọ bụ ndị ọhụrụ na-asọ ihe ndị a. Ọbasị (2000) kwuru sị na a dịghị eri ihe e zuru ezu; nke a mere na oge ahụ, abamaba a na-aga n'ihu, ọ bụ naanị ha na-esi ihe ha na-eri. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na abamaba a bụ oge ịdị ọcha, nsachapụ, nraranye na ịtụteghachi mmụọ nke ụmụ aghọghọbịa na-amaghị nwoke.

**Uru Dị N'abamaba Olo Ẹda**

Ihe ọ bụla nwere uru nwekwara ọghọm. Ọbasị (2000) kọwapụtara ọtụtụ uru dị n'abamaba Olo Ẹda; o kwuru na abamaba Olo Ẹda na-enyere ndị mere ya aka ịgbalarị ite ime ọkwa; ọ na-enyere ha aka inwe ndidi na mgbasị ike n'ọdịnihu karịsịa n'ebe nchekwe nke ezi na ụlọ ha, mgbe ha ga-alụ di; ọ na-akụziri ha ime ihe n'usoro maka mgbe a na-aga n'ihu, ndị bụ ha ụzọ, ka ha na-asọpụrụ; ha na-akwanyere ha ugwu. Ọ na-enyere ha aka ịgbalarị ọnwụ ike. Maka na ha kwenyere arụsị Olo na-echebe ha, ha na-anọ ogologo ndụ; ọ na-enyere ha aka inwe ezigbo mmekọrịta mmadụ na ibe ha; ha na-erikọ nri n'otu mgbe abamaba a n'aga n'ihu. Onu (2017) kwadoro nke a site n'ikwu na abamaba a na-eme ka ha gbasie ike n'ihi ọtọ ahụ ha na-akwụrụ site n'elekere ise nke ụtụtụ ruo n'elekere ise nke mgbede; ọ bụ oke ọrụ nke na-eme na ịnagịde ọnọdụ ọ bụla mgbe ha lụrụ di. Ọ kọwara na ọ bụ oge ha na-alụta ezigbo di nke aka ha ma ọ bụrụ na ha emezuo ya afọ asaa.

**Ihe Ịma Aka N'oge Ugbu A**

Abamaba ọdịnala Olo Ẹda nwere oke ihe ịma aka dị na ya n'oge ugbu a. Onu (2017), kọwapụtara ọtụtụ ịma aka n'oge ugbu a, ndị gụnyere ụmụ agbọghọbịa ndị na-eto eto enweghizị mmasị n'omenala Igbo n'ihi oke mmụta nka n'ụzụ na ihe nkiri onyoonyoo, ebe ha na-amụta ndụ ọgbara ọhụrụ na-eme ha ibi ndụ rụrụ arụ dị ka ite ime ọkwa, inwe mmekọ ahụ nwoke na nwaanyị na-erughi eru, egeghi nne na nna ha ntị. Ọ gakwara n'ihu ịkọwa na okpukpere chi ọgbara ọhụrụ emeela ka ụmụ agbọghọ ghara inwe mmasị, n'ihi na Akwụkwọ Nsọ akwadoghi nwa agbọghọbịa ịgba ọtọ na-agagharị, ndị ụkọ Chukwu na-akụziri ha na ọ bụ ekwe ekwe ndị ofe arụsị, n'ihi ya, ndị niile a mụrụ n'ezi na ụlọ ndị ụkọ Chukwu adịghị ekwe ka ụmụ agbọghọ ha soro n'abamaba Olo Ẹda; nkụzi a na-akpata ndaghachi azụ. N'agbanyeghi ihe ndị a, a chọpụtara na olile anya dịkwa n'ịkwalite omenala ndị a site n'ime ya ka ọ bụrụ iwu na ụmụ agbọghọ ga-

amụ maka omenala ndị a n’ụlọ akwụkwọ na ngwụcha afọ niile. Ndị obodo na ndị nne na nna ga-agba mbọ kụziere ụmụ ha omenala obodo ma wepụsịa agwa ọ-gbasaghị-m, maka onye omenala ya nwụrụ anwụọla.

**Nchịkọta**

Ihe ndị a chọpụtara gosiri na ọ dị mkpa ịkụziri ụmụ agbọghọbịa ndị Ẹda omenala obodo ha maka na ọ na-enye aka ịgbazi akparamagwa ma wezụga omume ọjọọ n’ime ha. Omenala obodo na-eme ka ihe a na-eme obodo nwee usoro onye ọ bụla ga-agbaso, iji nwee ezi mmekọrịta n’etiti onwe ha. A bịa n’Ẹda, e nwere ọtụtụ omenala bụ ndị e jiri mara ha; omenala ndị a gụnyere abamaba Olo, ịgba nzu. N’obodo gbara ha gburu gburu, o nweghi ebe ọzọ a ga-ahụ emume abamaba Olo na-abụghị n’ala Ẹda. Ọ bụ sọ ọsọ ha na-eme ya iji na-enwe ezi mmekọrita n’etiti onwe ha. Ndị Igbo tụrụ ilu sị na a na-egbuda osisi, ụmụ enwe a na-amagharị na-achị; ha amaghị na ọ bụ ụlọ ha ka a na-egbuda. Omenala Igbo na-anwụ, ụmụ Igbo emee ka a ga-asị na o nweghi ihe na-eme. Mgbe mmiri a na-eru ga-ezo, ọ ga-ama onye ukwu na onye nta. Mana oge ka dịkwa, onye ukwu na onye nta, ụmụ aka na okenye itinye uchu banyere emume abamaba Olo Ẹda ka ọ ghara ịla ka naị.

**Aro**

Ntụzi aka ndị a ga-enye aka ịkwalite abamaba Olo Ẹda: Ha gụnyere:

a. Ndị nne na nna ga-enye aka ịkwalite abamaba Olo Ẹda site n’ịkụziri ha uru dị na ya.

b. Ndị nhazi agụmakwụkwọ ga-etinye omenala dị ka n’ime ihe ọmụmu e kwesiri ịmụ n’ụlọ akwụkwọ.

c. Ndị ọchịchị obodo Ẹda kwesiri ịdị na-enwe ọgbakọ iji kụziere ụmụ agboghọ ha ndị na-etolite etolite mkpa ọ dị ịmụta abamaba Olo Ẹda.

d. Ndị mgbasa ozi ga-enye ohere ka ndị obodo na-agbasa ozi banyere omenala ha, ọkachasị abamaba Olo Ẹda.

e. Ndị ụka ọlọrọ ọhụrụ ga-enye aka kwalite abamaba Olo Ẹda site n’ime ka ụmụ agbọghọ na-etolite etolite ghara ịhụta ya dị ka abamaba ndị ọgọọ mmụọ.

f. Gọvment ga-enye ndị ọrụ oyibo ohere iji sonye abamaba Olo Ẹda, site n’inye ha ezumike n’ọnwa anọ kwa afọ ọ bụla karịsịa ndị si n’obodo Ẹkọlị Ẹda, bụ mgbe abamaba a na-ewere ọnọdụ.

g. Eze na-achị obodo Ẹda kwesiri inye ụmụ agbọghọbịa ndị na-eto eto na-esonye abamaba Olo Ẹda, Igbo ihe nrite ma ọ bụ ohere agụmakwụkwọ na-efu site na nkwado gọvmenti.

h. Ka ndị Ẹda legharịa anya abamaba Olo ma chọpụta ụzọ ha ga-esi mee ka ọ ghara ichipụ, n’ihi uru ndị ọ bara karịsịa na-ebe ụmụ agbọghọ na-eto eto nọ.

i. Ka ndị ọchịchị Afikpo Saụt kwado abamaba Olo site na ime ka ndị nne na nna hụta ya dị ka ụzọ obibi ndụ ndị Ẹda, ọ bụghị abamaba ndị ọgọ mmụọ.

j. Ka e were midia kwalite abamaba a, mee ka ụwa niile mara ya, ebe ọ bụ na mba Afrịka na-eme abamaba yitụrụ nke a.

k. Ka ndị omenala na-amasị na-edetu, ka e nwee ike itinye ha n'ọbọ ndokọ omenala na asụsụ.

**Mmechi**

Obodo niile n'ụwa gbaa gburu gburu nwere omenala e ji mara ha. Omenala ndị a bụ ihe na-agbazi usoro obibi ndụ na ụdị akparamagwa ma otu ihe na-agba anya mmiri n'oge ugbu a bụ na o nwezịghị ihe ụmụ agbọghọ anyị ji omenala emume abamaba Olo Ẹda kpọrọ. Abamaba Olo Ẹda bụ ihe obodo ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. N'oge gboo, abamaba ndị a na-akpọlata ikwu na ibe bi n'ụzọ ije, ndị enyi na ndị omenala na-amasị ịlọta ụlọ, soro ndị obodo na-enwe mmekọrịta na ọṅụ. Ọtụtụ ụmụ agbọghọbịa na-ahụta dị n'oge mmemme a, obodo ana-aga n'ihu.

**Nrụmaka**


Abakere, C. (2009). Definition of Culture in Aghamelu F. and Asọmagha, C. (Ọhz.). *Readings in African Thought and Culture*. Enugu: strong Tower books.

Agụgụ, M.O. (2006). *Ndị Igbo na Akụkọ ala ha*. Nsukka: Eva Unique Printing & Publishing.

Agwụ, U. (2000). *The Ẹda Heroic Poetry*: Nsukka Printing Press.

Anọzie, C.C. (2003). *Igbo kwenụ (Akụkọ ana Omenala ndị Igbo)*. Enugu: Computer Edge Publishers.

Bernstein, B. (1971). Theoretical Stụdịes Towardsa Sociology of Language. Na Bernstein, B. (Ọhz). C*lass, codes, and control*. London: Routledge and Kegan Paul.

Ejiofor, D. (1996). *Cultural Reawakening in Nigeria*. Onitsha: Kalu Press.

Ezebuilo, C.N., Odeh, B. E. & Nwosu, I.J. (2019). Culture, Meaning and Identifty Construction: a semantic exploration. Na B.M. Mbah, C.U. Agbedo, C.O. Okeke, G.T. Okeke & C.C Ezebube (Ọhz). *Semantics and the study of languages, linguistics, literature and culture*, 234-245, Nsukka: Paschal Communication.

Ibe, A.C.S. (2011). *Ịwa Akwa Festival and its Cultural Significance (A Christian Approach): Obowo as a Case Study*. Nigeria: Pellin Printers.

Igbokwe, B.N. & Ezeji, J.C. (2015). Ntụleghaṛị Omenala Igbo ndị na-Anwụ Anwụ site n'Agumagu ọdịnala ndị Igbo. *Ekwe Jọnal*. Vol. 2, No. 1.

Mbah, B. M & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B. M (2018). *Nsara Uche, Nzubere Ọnodụ na Akara Aka (mental space, dọmain construction and the limitation of possibility)*, Inaugural lecture. Nsukka: University Nigeria press.

McDowell, (2018). Folk and Sociololinguistics *Humanities*, 7(9), www.mdpi.com/journal/humanities.

Ninisana, W. (2018). The Relationship Between Language Culture: a sociolinguistic perspective: *Advances in social science, Education and Humanities Research* 280, 343-347.

Ọfọmata, C. E. (2012). *Omenala na Odinala ndị Igbo.* Enugu: Format Publishers Ltd.

Ogbalu, F.C. (1987). *Omenala Maka Junior Sekondiri n'usoro nke 6-3-3-4*. Onicha: University Publishing.

Okafor, H.C. (2005). Study Skills. Na N.P. Onyemerenkeya na C.N. Ugerhbulam (Ọhz.). *Introduction to Guidance and Counselling*. Owerri, Versatile Publications.

Okorie, O. (2009). *Omenala na Ewumewu ndị Igbo*. Enugu: Cheston Agency.

Okoye, B.D. (2015) Mgbanwe Batara n'omenala ndị Igbo. *Igboadịgo Magazine*.

Okpala, N.H. (2016). Tradịtional Music Igbo Culture: A Case study of Idu Cultural dance of Akpo in Aguata Local Government Area of Anambra State. *African Research Review*. *An International Multi-displinary Journal, Ethopia* 10(1)87-103.

Onu, A.M. (2017). Ethno-Pragmatic Study of Epic-Poetry of Ẹda. Ph.D Thesis. Abịa State University, Uturu.

Oti, E.O. (2000). *Edda: A Matrician Society.* Edymac Publishers Ltd.

Otitie, A. & Ogionwu, P. (2016). Problem of Culture in African Society: Problems and Prospects. *International Journal of Religion and Human Relation vol.* 10, No. 1.

Umeọdịnka, A. & Ugochukwu, C. (2016). Asụsụ Igbo dị ka Ngwa Ahia in Odezuru Igbo. *An International Journal of Igbo, African and Asian stụdịes 1st Edition.*

Umeọdịnka, A. U. (2020). *Introducion to Constrastive Analysis*. Awka: Divine Press.

Umo, E.U. & Ezema, O.C. (2007). *Mkpanaka Akwụkwọ Ọmụmụ Nchọcha n'Asụsụ na Omenala Igbo.* Nsuka: Ifedimma communication.

Ward, A. F.C (1970). *Culture and Personality*: New York: Random House.

Wardhanugh, R. (2002). *An Introduction to Sociolinguistics*. Blackwell Publisher.